# Olee Ihe Ndị Kwesịrị Ịdị na Foto A Na-adịghị na Ya?

**Gụọnụ 1 Ihe E Mere 16:1, 2, 4-10.** Ugbu a, lee foto a. Olee ihe ndị na-adịghị na foto a? Dee ihe ndị ị chọpụtara n'okpuru ebe a. Soro kpọm kpọm ndị dị na foto a sechapụ ya. Teekwa foto a kre-yọn.

1. ..................................................................

2. ..................................................................

3. ..................................................................

IHE UNU GA-AKPARỊTA: Jehova ọ̀ chọrọ ka e jiri egwú na abụ na-efe ya? Olee ihe mere i ji zaa ihe ị zara? IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ 2 Ihe E Mere 5:13, 14; Ndị Efesọs 5:19. Ị̀ ga-echetali akụkọ ndị ọzọ a kọrọ na Baịbụl kwuru na ndị na-efe Chineke bụụrụ ya abụ? IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Ọpụpụ 15:1-20; Mak 14:26; Ọrụ 16:25. Olee ihe ga-enyere gị aka ịna-abụku Jehova abụ ọ bụrụgodị na ihere na-eme gị ma ọ bụkwanụ na i chere na ndị ọzọ ka gị mara otú e si abụ abụ? IHE GA-ENYERE UNU AKA: Gụọnụ Abụ Ọma 33:1-3.

IHE UNU GA-EMEKỌ ỌNỤ: Onye ọ bụla kwuo abụ anyị nke na-amasị ya. Unu niile mụwa abụ ndị ahụ ruo mgbe unu mụtachara ha.




Ọ bụrụ na ị chọrọ ibipụtakwu ụdị ihe a ka ezinụlọ unu jiri ya na-amụ ihe, gaa na **www.jw.org/ig**

**1.** Ụlọikwu ebe a dọwara igbe ọgbụgba ndụ. **2.** Ụbọ akwara. **3.** Ọpị.

www.jw.org © 2012 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania